# NZIPỤTA AJỌ OBI NA NSOGBU YA N'AGỤMAGỤ ENYI MERE ENYI YA NA MMIRI ỌKỤ E JI EGBU MBE

**Chioma Chiazom Anagor**
**cc.anagor@unizik.edu.ng**
**07033256200**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi**
**Fakọlti NKe Aatị**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**

**Ụmịedemede**
Obi mmadụ bụ otu ihe zoro ezo nke anya mmadụ agaghị ahụ ihe dị n'ime ya maọbụ atụmatụ ọ chọrọ ịtụpụta oge ọbụla ọ na-awaghari, naanị onye nwe ya maara ihe na-eme n'ime ya na ihe ọ na-eche. E nwere ụfọdụ atụmatụ ga-esi mmadụ n'obi pụta, o doo anya na ọ bụ atụmatụ ọjọọ ma nwekwaa nke bụ atụmatụ ọma mana edereede a chọrọ ịgbado ụkwụ na ajọ obi maọbụ obi ọjọọ dị ka ụfọdụ na-akpọ ya. Ajọ obi butere inye nsi, nwanne igbu nwanne, iwepụ ndụ maka ọgwụ ego dg. Nke a mere ederede a jiri lebaa anya n'otu akwụkwọ ejije na otu iduuazị iji hụta ka ndị odee si ziputa ajọ obi, ihe kpatara ya, ọghọm ọ na-ebute na ụzọ e nwere ike isi gbochie ya. A gbasoro usoro nkọwa ma were atụtụ ime mmụọ nke Sigmund Freud tụpụtara n'afọ 1856-1939 wee tụchaa agụmagụ ndị a iji mee ka isiokwu a doo anya. A chọpụtara na ọtụtụ ndị mmadụ bụ enweghị afọ ojuju na ndụ ha na anyaukwu dubara ha iche ajọ echiche ebe mmadụ ibe ha nọ ma na-eziputa ya n'omume ha. Ụfọdụ bụkwa ndị obi na-afụ ụfụ ma ha hụ onye ọzọ ka ọ na-enwe obi aṅụrị. Ya mere o ji dị mkpa ndị mmadụ ịkpachapụ anya n'ụdị enyi ha na-enwe na ndị ha na-akọọrọ ihe tụmadị ihe ọma na-eme na ndụ ha makana ọchị abụghị ụtọ.

## Ndubanye

Ajọ obi abụghị okwu ọhụụ na ntị n'ihi na ọ malitere mgbe ụwa malitere nke mere akwụkwọ nsọ ji kwuo n'akwụkwọJeremiah 17 malite na 9 ruo na 10sị "obi mmadụ dị aghụghọ, ọ dịghịkwa onye na-ahụ ya". Na Jenesis 12, akọrọ akụkọ Ebel na Keenu ndị chụrụ aja, Chukwu naara aja nke Ebel ma jụ nke Keenu nke mere na Keenu nwere anyaukwu ebe nwanne ya nọ wee kugbuo ya n'ọhịa. Omume ahụ mere Chukwu ji wee nye ya ntaramahụhụ na ọ ga na-awaghari n'ọzara ụbọchị ndụ ya niile iji zipụta na obi ọjọọ e zipụtara n'akparamagwa nwere ọghọm na ntaramahụhụ ọ na-ebutere onye nwere ya. N'akwụkwọ Jenesis 37, a hụkwara akụkọ Josef na ụmụnne ya, ka o si kọọrọ ụmụnne ya nrọ ọ rọrọ nke ziputara na ụmụnne ya ga na-akpọ isiala nye ya. Nrọ ahụ kpalitere anyaukwu ebe ụmụnne ya tumadi ndị tọrọ ya nọ banyere ya, ha wee kpaa nkata ka ha gbuo ya ma mechaa ree ya. Nna ya kwara akwa mana ka afọ olenaole gara, agụụ dakporo ndị Izrel nke mere na ezinaụlọ Josef bịara Ijipt ebe e regara ya ịzụta nri n'maghị na ọ bụ nwanne ha bụzị onyeisi na-esota eze. Josef mesoro ha omume ọma n'gbanyeghị ihe ha mere ya. A ga-ahụkwa akụkọ nwunye eze Ehab bụ Jezibel onye di ya nwere mmasị ịnara Nebọtụ ubi ya n'ihi na ọ na-eme nri nke ọma mana Nebọtụ ekweghị, eze lara kọọrọ nwunye ya onye nke kpara nkata wee gbuo Nebọtụ. Ajọ ihe niile Ehab na nwunye ya Jezibel mere buteere ha ajọ ọnwụ n'ihi na iwe Chukwu dakwasara ha.

Obi ọjọọ anaghị anọkata malite dị ka ahụrụ n'akụkọ niile ndị a rụturụ aka n'akwụkwọ nsọ. E nwere ọtụtụ ihe nwere ike iduba mmadụ inwe ajọ obi maọbụ malite ịkpa agwa na-eziputa obi ọjọọ. Ihe ndị a gụnyere; enweghị afọ ojuju, anyaukwu, ekworo maọbụ ịbọ ọbọ. Oge ụfọdụ, ọ bụ omume ndị mmadụ mesoro mmadụ ibe ha na-eduba ha ikpebi ịgba ajọ dị ka mgbe mmadụ ji ajọ omume akwụghachi onye meere ya ihe ọma, onye ahụ nwere ike kpebie ka ọ bọọ ya ochie na ọhụụ site n'ikpaso ya agwa jọrọ njọ. A naghị ezo ajọ obi ezo n'ihi na ọ bụ site n'akparamagwa ka e si ahụta ya maọbụ oge a na-akpa nkata etu onye ahụ si atụpụta atụmatụ o doo ewu na ọkụkọ anya na onye ahụ nwere ajọ obi. E nwekwara ndị obi na-adị mma oge mmadụ ibe ya na-agabiga ihe mgbu nwezie ndị chọrọ ka ọ bụrụ naanị ha ka ihe ọma na-emere. Ụfọdụ bụ ndị adịghị ndụ nyere onye ọzọ aka ọ sọkwa ya bụrụ na onye ahụ na-ebepụta ọbara n'anya ya.

E nwere ọtụtụ omume na-ezipụtakwa ajọ obi dị ka omume ndị ọchịchị na-emeso ndị ha na-achị. Ha na-ahụ ahụhụ ndị mmadụ na-ata mana o gbochighị ha ịdị na-ebupu ego ebuga n'ụlọakụ dị na mba ofesi ebe ha na-echekwara ụmụ ụmụ ha ego, o gbochighịkwa ha ịdị na-efegharị n'ụgbọelu, izipụ ụmụ ha mba ofesi ebe ha na-ekpori ndụ, na-agụ akwụkwọ mana ụmụ ogbenye ahụghị mmiri ọṅụṅụ dị mma. Ha na-aga elezi ahụ ha na mba ofesi, isi waa ha, ha efepụ manandị ha na-achị ahụghị ego nri ma ya fọdụ ụlọọgwụ gọọmentị dị ezigbo mma ha ga-aga maka ahụike ha. Ihe ndị ọchịchị na-eme bụ ha chọọ ntuliaka, ha abịakwute ndị mmadụ mana ngwangwa ha nwetara ihe ha na-achọ, ha akpọchie ụzọ ha ganye na o rue oge ntuli aka ọzọ.

Ajọ obi bụkwa mgbe mmadụ ji okwu ọnụ ya gwagbuo mkpụrụobi onye ọzọ n'ihi na ọ karịrị onye ahụ dị ka nna ezinaụlọ na nwunye ya imegide onye enyemaka binyeere ha n'ihi na ha karịrị ya. Ha nye ụmụ ha osikakpa, ha enye nwaneeku ji gbara ụka dg. Omume ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-emeso ndị binyeere ha na-awụ akpataoyi. Dị ka Saharareporters (2021) kọrọ maka otu nwaanyị a kpọrọ Oriakụ Mmesoma Okoye, onye tigburu Kosisochukwu, onye enyemaka ya. Akụkọ kọrọ na ihe o tiri nwa ahụ bugara ya ụlọọgwụ ịnata ọgwụgwọ na Febụwarị 16, 2021 n'ebe ọ nọ nwụọ tupu ndị uwe ojii wee kpara ya aka.

Premiumtimes (2017) chikọbara ikpe a mara ụmụ nwoke anọ ndị aka ha di n'ọnwụ Nwaada Cynthia Ọsọkọgụ n'afọ 2012 dị ka akụkọ kọrọ ka Maazị Nwabufo dị afọ iri atọ na asaa bụ enyi nwaada a na ọwaududo si kwee ya nkwa ịchọtara ya ọrụ na Legọọs nke mere Cynthia ji si Abụja were ụgbọelu bịa. Nwabufo na nwa nwanne ya bụ Maazị Ezike dị afọ iri abụọ na asaa dobere Cynthia n'ụlọ ezumike Kọsụmịla dị na Lekiviu Festak Legọọs. Ha tinyeere Cynthia ọgwụ rifọnọlụ na mmanya raịbina ụla wee buru ya. Ha zụkọrọ ego ya ma kwaso ya iko n'ike ma mechaa were akwa tọgbuọ ya tupu aka kpara ha.
Ederede a ga-eleba anya n'akwụkwọ agụmagụ ndị a iji zipụta ajọ obi ụfọdụ agwa zipụtara; *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*nke Tony Ubesie, *Ije Ego*nke Robert Nwokelue, na *Enyi Mere Enyi Ya*nke Nkechinyere Nwokoye na NkọlịNnyigide dere.

## Atụtụ Nchọcha

Dobbie (2012:55) n'ime Okafor (2022) kọwara na ọ bụ Sigmund Freud dọkịta na-ahụ maka ụbụrụ isi mmadụ, tụpụtara atụtụ a iji chọpụta ihe na-ebute ọrịa dị iche iche nke anaghị egosipụta n'elu ahụ guzobere atụtụ a n'afọ 1856-1939 iji chọpụta etu ọnọdụ ime mmụọ mmadụ si arụọrụ, ọdịdị ya, nhazi ya na ọrịa na-emetụta ya. Ọ chọpụtara na ọtụtụ oge, ihe ike mere na ndụ mmadụ nke ọ gwọghị n'oge nwere ike butere ya ọrịa n'ọdịniihu. Freud mechara malite iji atụtụa enyocha ekpemekpe, nkọmịrịkọ, aatịna agụmagụ. N'iji kọwaa ọnọdụ ime mmụọ mmadụ, Freud kewara ya ụzọ atọ;

**Iidi:** Nke a bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ nke na-eme ka mmadụ kpaa agwa ekwesịghị ekwesị n'ihi na o cheghị ya eche. Ifejirika (2014:220) kwuru na ọ bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ ebe ọchịchọ nke anụ ahụ na egwu wuru ụlọ obibi. N'ebe a ka ọchịchọ ihe arụ niile si apụta dị ka; ndakpo, ịkwa iko, izu ohi, ịtọ mmadụ, iwepụ ndụ, ịkpọ asị na oke iwe nke na-eduba mmadụ n'ịla n'iyi. Mpaghara ime mmụọ a anaghị eche echiche maka iwu, ọdịnala na nkwenye, ọtụtụ oge. Mmadụọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a n'ime ya mana ihe dị iche bụ etu mmadụ si achịkwa onwe ya iji hụ naọ naghị apụta ihe n'omume ya.

**Igo:** Nke a bụ atụtụ ime mmụọ mmadụ nke na-eche echiche maka ihe akparamaagwa ya ga-apụta tupu ọ kpaa agwa. Ọ na-eche echiche banyere ihe ọ chọrọ ime, mkpebi ọbụla na mpụtara ya tupu ọ kpaa agwa ọbụla. Mpaghara ime mmụọ a na-arụ ọrụ dịka onye nọ n'etiti iidi na supaigo. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a mana ụfọdụ ndị ejirila mmanya na-aba n'anya, ọgwụ ike na ise ahịhịa menyụọ nke ha.

**Supaigo:** Ọ bụ mpaghara ime mmụọ mmadụ nke a na-ahụta dị ka akọnuche mmadụ. Ọ na-eche echiche maka ihe ziri ezi tupu ọ nwee mkpebi n'ihe ọbụla ọ na-eme. Ndị nne na nna bụ ndị mbụ na-eguzobe mpaghara ime mmụọ n'ebe ụmụ ha nọ. Ka ha na-eto, otu dị iche iche naọha obodo na-enye aka ịgbazi ezi akparamaagwa a.

## Nnyocha Agụmagụ Ndị A Họọrọ

### *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*

Nke a bụ akụkọ gbasara Enyi nwa Ụzọdịmma onye nne na nna ya nwụrụ, nwanne nna ya wee kpọrọ ya ka ya na ha biri mana nwanne nna ya anaghị anọkarị n'ụlọ nke mere na nwunye ya Nneka malitere ichi Enyi ọnụ n'ala. Ọ naghị etinyere ya anụ na nri, ihe ọbụla mere n'ụlọ, ọ bụ Enyi na-ata ahụhụ ya. O megidere nwa a ihe na o siri n'ụlọ gbapụ wee soro ndị ohi malite ọrụ iji hụ na o nyeere onwe ya aka ma kwụsị ịta ahụhụ ọ maghị isi ya n'aka nne ya ukwu na ụmụ ya nwaanyị ndị mụtara ọrụ n'aka nne ha. Ubesie (1974:9) kwuru sị;

> Enyi dị naanị afọ anọ mgbe ya na nwanne nna ya bidoro biwe. Site n'ụbọchị mbụ Enyi bịara ebe a, nwunye nwanne nna ya ahụ kpọrọ ya asị. Ihe kpatara o ji kpọọ ya asị abụghị ihe ọzọ karịa ekworo ụmụ nwaanyị. Nneka sichaa nri, o kunye nke ụmụ ya iche, kunye nke Enyi iche. O ji arụrụ ala na-ata Enyi ahụhụ. Ụbọchị sọrọ ya, o tinyere ya nnukwu nri ma ofe ọ ga-etinyere ya agaghị ezuru ya okpoko nri abụọ. Ụbọchị ọ chọrọ ikunyere ya ofe, nri ọ ga-etinyere ya a agaghị eju ya afọ. Nke ọzọ, Enyi atabeghị anụ e ji sie ofe dị ka ụmụ Nneka si ata. Nke a kpatara na i lee ya anya, ahụ na-ajụ ya oyi mgbe ọbụla. ụmụ Nneka leere nne ha anya wee jiri Enyi na-eme ihe iji kpaa ụka ọchị. Ụmụaka ndị ọzọ bi n'ogbe leere ha anya, na-emesi Enyi ike n'ihi na onye ụlọ kee nwanne ya n'ọbọ, onye ezi ebufuo ya. E mekwara Enyi ihe, ọ gbụọ ahụ n'ihi na ọ maara na ndụ ya dị ya n'aka. Nke a mere o ji sie ike ka mkpume.

Ubesie (1974:12) kwuru na otu ụbọchị, Nneka hụrụ ya ebe o richara ihe na-atagharị ọnụ, wee jụọ ya ihe ọ na-ata, n'ihi na ọ maara na ọ dịghị ihe o kunyere ya n'ofe. Mgbe ọ saghere ọnụ ka ọ gbụpụta ihe ahụ, Nneka tie mkpu sị ka a kpọọrọ ya ụmụaka ndị ọzọ. Mgbe ụmụaka bịara, ha chọwa Enyi mma. O weere unyi tee ya n'akụkụ ihu nke ọzọ, were eriri gakọta okpokoro ejula na iko azụ ndụ, nyanye ya n'olu sị ụmụka

gụwara ya egwu a na-agụrụ onye zuru ohi. Azụ Enyi na-ata bụ azụ ọ kụtara na mmiri mgbe ya na enyi ya Nwokeabịa jere mmiri Bature. Ọ mịkpọrọ azụ ahụ ka ọ na-ata n'ihi na nne ya ukwu anaghị etinyere ya anụ maọbụ azụ na nri. Ubesie (1974:18)…Enyi na Nwokeabịa jekwara mmiri ụbọchị ọzọ, ka ha na-alọta, nna Nwokeabịa hụrụ ha, jụọ ha ebe ha gara. Ha chọrọ ka ha gọwa agụgọ ma anya ha agbaala ama, n'ihi na ọ nweghị onye hụrụ anya ha agaghị ama na ha gwuru mmiri. Mgbe ha na-ekwu nke a, lee ka Nneka pụtara sere Enyi, seba ya n'ụlọ, mechie ụzọ. Ihe ọ na-achọ n'ụkọ elu ka ọ hụrụ n'ụkọ ala. Nneka were ọdụ inyinya ọ zụtara maka iji na-apịa naanị Enyi ụtarị, gbewe ya akamụ n'ahụ. Mgbe o mechara ike ya, i lee Enyi anya n'ahụ, ọ dị ka ebe achịkwụ dere ihe n'ala. Nke a mere Enyi ji si n'ebe ahụ gbapụ, sị kama ya ga-anọrọ ndụ na-ele enwe ya anya, ka ya zọwa onwe ya, ma ya bụrụ na ya azọtaghị ya. Enyi si na be Nneka gbapụ bido biwe ndụ onye enweghị be. Ndụ ya ugbu a bụ ụbọchị a hụrụ, e rie, ụbọchị a hụghị, a kwụrụ agụụ. Ebe o nweghị onye inye aka, o bidoro nyewere onwe ya aka. O bidoro kpaghariwa n'ogbe ndị ọcha. Ebe ọ hụrụ osisi mango, ọ rịa elu, ghọta ndị chara acha.

Agwa mmadụ kpasoro mmadụ ibe ya nwere ike iduba onye ahụ ime omume dị njọ maọbụ nwee mkpebi nwere ọghọm dị ka a hụrụ ka omume Nneka ebe Enyi nọ mere ka o kpebie ịgbapụ n'ụlọ gaa kpanyenwe onwe ya nri nke dubara ya n'izu ohi iji leta ndụ ya anya. Ka ọ malite izu ohi ahụ, gburugburu ha niile ajụghị oyi n'ihi mkpamkpa Enyi na ndị otu ya na-akpa. Ubesie (1974:24) kwuru sị; "ebe a o bi mere ka ya na ndị mmadụ dị iche iche bikọọ ọnụ. Ndị ohi na ndị ama niile dị n'Enugwu bụ ebe ahụ ka ha bi. A sị na ewu adịghị ata agbara sowe nke na-ata agbara, o bido ịta agbara. Ọ bụ otu a ka Enyi sisi n'ikute ụtaba bawa ime ahịa, ya na ndị ohi wee na-akpa". (:28)… ndị ohi a mere Enyi onye isi.

***Enyi Mere Enyi Ya***

Akụkọ a gbasara agwa ọjọọ Ụlọọma kpasoro enyi ya Adaakụ n'ihi anyaukwu o nwerena Adaakụ na-akwado ịlụ di. Ọ dịghị ihe o meghị ka Adaakụ hapụrụ ya Echezọna ruo na o jizi aka ya gakwuru nwa okorobịa ahụ gwa ya hapụ enyi ya nwaanyị na ọ ga-emere ya ihe ọbụla ọ chọrọ mana Echezọna ekweghị. Ụlọọma kwuru na ebe Echezọna achọghị ịhapụ Adaakụ na ọ ga-eme ihe ga-etisa ha abụọ. Ya na ndị ntọ wee kpaa nkata tọrọ Adaakụ bụ enyi ya nwaanyị mana Chukwu nyere aka, Adaakụ wee lxta ije ahụ n'aka ndị ntọ chọrọ ire akụkụ ahụ iji kpata ego.

Nwokoye na Nnyigide (2021:8-9)

Ụlọọma: Echee! Ahụrụ m gị n'anya
Ihe gị na-amasị m
Achọrọ m ka ị hapụ Adaakụ sowe m
Enwere m ego
Ihe ọ bụla ị chọrọ aga m emere gị
Echezọna: Ụlọọma! ị sị gịnị?
Gịnị ka ị na-akọ
Ka onye isi adịghị mma?
Adaakụ bụ ezigbo enyi gị!
Adaakụ jiri gị mere nwanne
Ị bụ enyi ka nwanne nye ya
O nwere ihe na-esere gị na ya?
Ụlọọma: Etizila mkpu
Mụ na Adaakụ abụghị nwanne
Ihe na-agụ oke na-agụ ọgịnị
Kamgbe anya mhụrụ gị

Mkpụrụobi m enwebeghị ezumike
Echezọna: Olisa bi n'igwe
Biko ekwekwala ka ngwere gbaa ajị
Enyi mere enyi ya bụ ajọ enyi
Anụla m ihe I kwuru
Aga m ala ka m chebara ya echiche
Emesịa, m ga-enye gị ụsa
(o bilie ịpụ, Ụlọọma ejide ya aka)
Hapu m aka
N'ihi na e jighi ihe e ji agba na ntị agba n'anya
Afọ ime a tụrụ taa, mụọ ya taa bụ arụ
Ụbọchị nta ka anyị chụọ n'owere nchi

Echezọna mechara kọọrọ Adaakụ ihe enyi ya nwaanyị bụ Ụlọọma mere. Ka ha na-akwado alụmalụ ha, Ụlọọma kpọrọ Adaakụ ka ha hụ n'ihi na ọ chọrọ ịrịọ ya mgbaghara. Adaakụ kwetara na ọ ga-abịa hụ ya ka o were ohere ahụ gwa ya hapụrụ ya di ya aka kpamkpam mana ọ maghị na ọ bụ ọnwụ ya ka o ji ike agbakwu. (ihu:24-25) kwuru sị;

Adaakụ: Oo! (ọ pụọ n'ezi malite bawa mba)
Ụlọọma agwala m gị akpọzịla m
Echezọna agwala m nkata niile ị na-akpara ya
Mana nkata aghaghị ikpudo onye ọjọọ (ọ gba nkịtị)
Ị chọrọ ka m bịa hụ gị n'ebee?
Maka gịnị?
Ịrịọ m mgbaghara. (ọ gbakwa nkịtị)
Ọ dị mma.
Anụla m.
Agbagharala m gị
Nye m ihe dị ka nkeji iri aga m abịa
(ọ gbanyụọ ekwentị ya)
Kedụ ụdị mgbaghara ọ chọrọ ịrịọ m
O ji sị m bịa hụ ya n'ukwu osisi dị n'obodo ezi
Aga m aga ebe ahụ gwa ya hapụrụ m di m aka.
Ya gaa chọọ nke ya.

Adaakụ gara obodo ezi ịhụ Ụlọọma mana otu nwoke Ụlọọma gobiri nwudere ya kechie ya aka kpụba ya n'ọhịa ebe ha cheere Ụlọọma ọ wee bịa gwa Adaakụ okwu ikpeazụ o ji kpọọ ya. (ihu:28-29)

Ulọọma: nwa arụrụ ala!
Ọ bụ Echezọna na-esere anyị.
Ahụrụ m ya n'anya
Mana ọ bụ gị na-egbochi ya ịhụ m n'anya
Adaakụ: …kedụ mgbe nke a bidoro?
Ọ bụkwa gị ka m na-akọrọ akụkọ
Ụdị ịhụnanya dị n'etiti mụ na Echezọna
Akọkwaara m gị nkwa o kwere m maka ọlụlụ
Ụlọọma: Anụ mpama!
Ị maghị na ihe dị oke mma dịkwazị ọgịnị mma
Mbọ niile m gbara ka ọ hụ m n'anya lara n'iyi n'ihi gị
Ya mere m ji kpebie iwezuga gị n'ụzọ
Ka m marazie ihe ga-egbochi ya ịlụ m
Adaakụ: Chi m ooo!

Anya m ahụ ntị m
Ihe kante abakwutela ya n'ọnụ
Onye m kpọrọ enyi m akpọọla m asị!
Eke kere ụwa gbatara m ọsọ ndụ
Otu nwoke: Bịa nwaanyị nye m ego m
Ka m si ebe pụọ
Tupu nwata a ebutere m ajọ chi

Ụlọọma mechara kwee Adaakụ nkwa na ọ gaghị egbu ya oge Adaakụ kwetara ịhapụrụ ya Echezona. Ọ gwara ya ka ọ kpọọ ndị ga-edula ya n'ihi na chi ejiela mana Adaakụ amaghị na ọ bụ ndị ga-edula ya mmụọ ka ọ na-akọwa. Ụlọọma kpọrọ Dimgba na ndị otu ya ndị nke wuchiri na ntabi anya. (ihu 32)
Adaakụ: Biko Ụlọọma enyi m, gbaghara m
Ahapụrụla m gị Echezọna
Hapụ m ka m lakwuru nne na nna m
Ụlọọma: (N'ịkwa emo) Ị ga-alakwuru ha n'oge na-adịghị anya
(A nụrụ ụda ụgbọala n'ezi nakwa ụkwụ ndị mmadụ ka ha na-abata n'ọhịa ahụ)
Ụlọọma: Mụọkaibeya!
Azụanụụka!
Ọdịmkpumkpuemeire!
Ngwanụ, leenụ ahịa m wetere ka unu zụrụ
Adaakụ: (Tie mkpu n'olu ike) Chineke m ooo!
Olee ebe ị nọ?
Ụlọọma: Ahịa anyị ebiela
Aga m achọ ụzọ ụla
Ka ọ dị ka anyị ahụghị
Ma biko gatekwaanụ aka (ọ pụọ)
Anyaehie: Mmụọkaibeya, ngwa ka anyị maburu ya
N'ikpeazụ, Adaakụ mechara hụ ụzọ mgbapụ wee gbalaga ka mkpụrụ ụbọchị ole na ole gachara. Ndị uwe ojii kpaara Dimgba na ndị otu ya aka ma kpụtakwuo Ụlọọma.
N'ejije a, a ga-ahụ na ihe kpatara anyaukwu a nke sitere n'ajọ obi bụ n'ihi na ezi ịhụnanya dị n'etiti Adaakụ na Echezọna. Anyaukwu a Ụlọọma nweere Adaakụ nke butere ajọ obi sitere na akụkọ Adaakụ na-akọọrọ ya gbasara ya na enyi ya nwoke n'ihi na o weere ya dị ka enyi na nwanne mana ọ maghị na obi adịghị ya mma etu ọ ga-esi bụ naanị Adaakụ ka ihe ọma ndị a ga na-emeere. Nke a rụtụrụ aka n'ihe e kwurula na mmalite na ndị mmadụ ga-akpachara anya ihe ha na-akọọrọ onye ọzọ n'ihi na a maghị ndị a na-eze maka obi mmadụ dị njọ.

**Ihe ndị a chọpụtara**

Ọtụtụ ihe ka a chọpụtara n'agụmagụ ndị a nke ga-agbaziri ndi mmadụ ka ha si ebi ndụ, ha gụnyere;

- Ajọ obi enweghị ngwọta naanị mmadụ ka ọ dịrị iche obi ya nche site n'ụdị ihe ọ na-eche.
- A hụkwara na akparamagwa mmadụ kpasoro mmadụ ibe ya nwere ike ime ka onye ahụ nwee mkpebi adịghị mma dị ka a hụrụ n'etiti Nneka na Enyi na *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe.*
- Ozo ka ibe ya bụ kandị mmadụ kpachara anyandị ha na-akọọrọ ihe ọma na-eme na ndụ ha n'ihi na ọ bụ onye maara mmadx na-egbu ya. Ọ dịkwa mkpa ileru anya ala mara ụdị agwa ndị anyị na-eso na-akpa maka ndụ mmadụ. Nke a ka a hụtara n'etiti Adaakụ na Ụlọọma na *Enyi Mere Enyi Ya*.

**Nchịkọta na mmechi**

Ederede a egosipụtala na ndị odee agụmagụ Igbo na-eziputa ajọ obi n'agụmagụ, ọghọm na ụzọ mgbapụta iji doo ndị ọgụụ aka na ntị n'ihi na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ. Ọ dị mkpa ndị mmadụ iche obi ha nche ka ọ hapụ iduba ha n'ọnwụnwa, ọ dịkwazị mkpa kandị mmadụ nwee afọ ojuju n'ihi na ụwa na-eme ntụgharị. Onye emegbula onye ọ ka mma maọbụ nwa binyeere ya n'ihi na ọ bụghị nwa ya.

**Edensibịa**


Bible Society of Nigeria (2013). *Baịbụl nsọ*. Legọọs: CAP Bible Society of Nigeria

Dobbie, A. B. (2012). *Theory Into Practice: An Introduction to Literary Criticism.* USA: Wadsworth

Nwokoye, A.N. na Nnyigide, N.M. (2021). *Enyi Mere Enyi Ya*.Ọnịcha: Noble Resources

Okafor, J.C. (2021). "Nzipụta Obi Nkoropu Na Igbu Onwe n'Agụmagụ Ederede A Họọrọ". Nchọcha E Deere Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afr[ka na Nzikọrịtaozi

Premium Times.(Maachị 23, 2017). "Killers of Cynthia Osokogu Sentenced To Death". Weghachitere na Juun 15, 2022. Site na http://www.premiumtimesng.com

Saharareporters (Maachị 11, 2021). "Lady Allegedly Beats 10 year old House Help To Death in Anambra". Weghachitere na Juun 15, 2022. Site na http://www.saharareporters.com

Ubesie, Tony. (1974). *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe.* Ibadan: Longman Nigeria